# NLEKỌTA NKE NDỊNCHỤÀJÀ NA NDỊ LIVAI
## Ọnu-ọgugu 18:1-32
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 98 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "JEHOVA bu òkè nke ihe m'ketara na ikom: Gi onwe-gi nējide ihe rurum n'ife nzà" (Abù Ọma 16:5).**

**I Ọlụ Dịrị Ndịnchụàjà na Na Livai**

1. Ọ gaabụ ọlụ dịrị ndịnchụàjà ifè Chineke òfùfè n'ebe nsọ ịnọchita anya ndị ahụ n'iru Chineke, Ọnụ-ọgugu 18:1, 2, 5, 7; I Ndị Kọrint 4:1, 2; I Pita 4:10
2. Ndị Livai nwe ilekọta Ụlọikwuu ahụ n'onweya na inyekwara ndị nchụàjà aka n'ijéozi ụfọdụ, Ọnụ-ọgugu 18:2-4, 6, 21-23; 2 Ndị-Eze 3:11; Matiu 10:42; Mak 10:43, 44
3. Nrọpụta Ihe onwunwe nke Chineke Nye Ndịnchụàjà Ya na Èzinaụlọ Ha
4. Anaenye ndịnchụàjà ụfọdụ nime ihe ahụ eji chụaàjà bụ́ nke anaesureghị ọkụ ịbụ iheoriri ha, ụfọdụ nime ha bụ àjà ikpéọmụma, ụfọdụ àjà mmehie na ụfọdụ àjà iheoriri, Ọnụ-ogugu 18:8-10; Levitikọs 2:3, 9, 10; 6:16, 23, 25, 26, 30; 7:5-10; 10:12, 13, 16-20; Deuteronomi 18:3; Matiu 10:9, 10; I Ndi Kọrint 9:9-14; Ndị Galatia 6:6; Ndị Filipai 4:14; I Timọti 5:18; Ezikiel 44:29
5. Ego Ụmụ Israel naeweta iji gbapụta ụmụ ha eburu ụzọ mmụọ, ka anaenye ndị nchụàjà n'ihi na ndị Livai náejéozi ha, Ọnu-ogugu 3:44-51; 18:15, 16; Ọpupu 34:20
6. Anaenye ndị nchụàjà ego idoziụzọ mgbe onye emejọworo ná anọghị kwa ndụ, ọ dịghị kwa onye ikwu ya nọ ndụ, Ọnu ọgugu 5:8-10; 2 Ndị Eze 12:16
7. Òkè nke àjà anụ dị icheiche, àjà nke mkpụrụ mbụ, mkpụrụ mbụ nke anụ niile dị ọcha, ka agaenye ndị nchụàjà ka ọ bụrụ iheoriri nye èzínaụlọ ha, Ọnu-ọgugu 18:11-14, 17-19; Deuteronomi 18:4, 5; Levitikọs 10:14; Ezikiel 44:30, 31
8. Ndị nchụàjà agaghị enwe ihe onwunwe nke akụ̀ anaahụ́ anya dịka ihenketa, ebe Chineke bụ ihe nketa ha, Ọnu-ọgugu 18:20; 26:62; Joshua 13:14; Ezikiel 44:28

**II Ihe Nrọpụta Dịrị Ndị Livai na Èzínaụlọ Ha**

9. Otù ụzọn'ụzọiri Ụmụ Israel naeweta ka anaenye ndị Livai ịbụ ihe ha gaeji nyere onweha aka, Ọnu-ọgugu 18:21-24; Jenesis 14:20; 28:20-22; Levitikọs 27:30-33; Deuteronomi 14:28, 29; 26:12-15; 2 Ihe Emere 31:4, 5; Nehemaia 12:44; Malakai 3:10; Matiu 23:23; I Ndị Kọrint 16:2; Ndị Hibru 7:5
10. Ndị Livai gaenye otù ụzọn'ụzọ iri nke sitere n'otù ụzọ n'ụzọiri ha iji nyere ndịnchụàjà aka na igbò mkpà nke ha, Ọnu-ọgugu 18:25-29; Nehemaia 10:38, 39
11. Ihe fọdụrụ bụ nke ndị Livai ime ya otú ọ masịrị ha n'aka ha ime dịka ọ bụ ha onweha lụpụtara ya, Ọnu-ọgugu 18:30-32
12. Ndị Livai enwetaghị ihe nketa ọ bụla n'Israel, kama enyere ha ụfodụ obodo nime Ala Mkwà ahụ ịbụ ebe obibi ha ka ha wee mee ka ọlụ Chineke náaga n'iru n'obodo ahụ niile, Ọnụ-ọgugu 35:1-8; Deuteronomi 10:9; 12:12, 19; 14:27, 29; 18:1, 2; Joshua 13:33

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ijéozi Dị nsọ**

Chineke rọpụtara ndị nchụàjà na ndị Livai n'etiti ebo irinaabụọ nke Ụmụ Israel ịbụ ndị náejere Ya ozi n'ebe nsọ Ya n'ọkwa dị icheiche dịka àtụ̀mààtụ̀ nke Ya Onweya si dị. Agbụrụ Erọn ka O nyere ọlụ pụrụ iche nke ifèòfùfè, ịchụàjà dị icheiche, na ịnọchita anya ndị ahụ n'iru Ya. Ndị Livai ka o nyere ọlụ ibugharị Ụlọikwuu n'oge njèm ha nime ọzara. Mgbe Ụmụ Israel nọdụsịrị nkeọma n'ala Mkwà ahụ, ọlụ ahụ adịghị kwa mkpà ọzọ, ewee nye ndị Livai ọlụ ọzọ nime na gburugburu Ụlọikwuu ahụ. Ha naedebe ma náakụzi kwa Iwu ahụ, náekpé ndị ahụ ikpé, soro kwa n'ifè òfùfè na ịbụ abụ -- ọtụtụ nime ha bụ ndị une na ndị ọbụ abụ -- ha wee náejéozi n'ụzọ dị icheiche bụ́ nke anyị naakpọ ọlụ nke ndị minista taa (Deuteronomi 17:8-12; 24:8; 27:14; 31:9-13, 26; I Ihe Emere 23:27-32; 2 Ihe Emere 29:34). N'otù mgbe n'akụkọ nke Ụmụ Israel, ụfọdụ ndị adọtara n'agha ka enyere ọlụ ịdọta mmiri na ịwa nkụ maka ifè òfùfè n'Ụlọ ikwuu ahụ, iji nyere ụmụ Livai aka bụ́ ndị enyeworo ọlụ dị icheiche dị kwa ike.

Ọlụ a dị nsọ mere ka ndị nchụàjà ndị Livai tinyebiga ike na oge ha ókè karịa na mbụ. Ka ha wee nwee ohere inyebiga oge na ike ha niile n'ijere Chineke ozi, ekwenyere ka ndị ahụ ha naefé òfùfè nyere ha aka site n'ụzọ ahụ nke Chineke tụpụtara na àtụ̀mààtụ̀ Ya. Ọ bụrụ na ha hụtara ya dịka ihe dị mkpà ijé lụọọlụ nke aka ha iji gboo mkpà ha,

nke ahụ gaewepụtaworị oge dị ukwuu site n'oge ha gaeji jeere Chineke ozi. Nke a gaeme ka òfùfè ha nye Chineke mebie ọsọsọ, n'ihi na ihe ijéozi ahụ chọrọ karịrị ihe ha gaenwe ike imezu maọbụghị na ha nyechasịrị oge ha niile.

### Chineke Mazuru Mkpà Ha Niile

Ụzọ iji rọpụtara ha ihe náakpa ha mkpà zuruezu, ma ọ dịghị mgbe ọ gaabụ n'ụzọ ime ihe ka ha bụrụ ọgaranya. Otú ọ dị, Chineke ekwuworị na Ya gaabụrụ ha ihe nketa; ma mgbe ọ bụla Ọ naarọpụtara ha ihe onwunwe, Ọ naenye ha ngọzi nke imemmụọ bú nke náeme ka ndụ ha dị ụtọ, ka oge ra ha naefé Ya òfùfè n'ikwesị ntụkwasịobi.

O nweghị ndụ dị ụtọ karị nke enyechasịrị Chineke. Ọ dịghị obiụtọ agageji tụnyere ọñụ nke onye náefé Chineke "n'ebe Nsọ Ya" nwere, maọbụ onye nke tinyesịrị ndụ ya niile n'ọlụ nke Chineke náagbanyeghị otú ọlụ ahụ si dị ala. Ọñụ nke Jehova ghọrọ ike nke ndị ahụ nyechasịrị ndụ ha; ma n'ihi na emere ka nke a doo ha anya nkeọma, ha naapụ wee kụziere ndị ahụ ngọzi niile nke mkwà nke ọgbụgbandụ ahụ, mmadụ niile ewee rite urù.

Ụfọdụ nime ihe nrọpụta nke iwu ahụ tụlere ihe banyere mkpà nke ndị orù Chineke ahụ mgbe ha naejégharị n'ọzara, ebe ndị nke ọzọ naekwu banyere mkpà ha nime ala Mkwà ahụ, mgbe ha nọdụsịrị nkeọma n'ebe obibi ha dị icheiche. Ma ihe nrọpụta ahụ niile bụ ihe sitere n'òfùfè Chineke. Onyeozi ahụ gwara anyị na Onyenweanyị ekwuwo na ndị niile náezi Oziọma aghaghị ịdịndụ site n'Oziọma ahụ. Anyị matara n'akụkọ banyere Ụmụ Israel na ụfọdụ lelịrị óké ọnọdụ a site n'iji ya chọọ urù nke onweha. Ha rapụrụ izisa Oziọma maọbụ ifè Chineke nime mmụọ, kama ha naefè urù nke onweha na ọchịchọ nke anụarụ, náeme ka ụmụmmadụ wee jụ ifè Chineke òfùfè (I Samuel 2:12-17, 22-24).

### Nkesa Zuruókè Dị ka Ọlụ Onye Ọ bụla si dị

Chineke nyere ndị ahụ Ọ rọpụtara ụfọdụ nime ihe ndị ahụ eji chụọàjà, ụfọdụ nime ha bụ nke ndị nchụàjà gaeri n'ebe nsọ, n'ihi ịdịnsọ ha maọbụ ụdị imebi ngwangwa ha. Ndịọzọ ka ha pụrụ iji laa n'ọlụ ha ma rie ha n'ebe ọ bụla dị ọcha. Ihe ndị ahụ ndịnchụàjà gaeri náání n'ebe nsọ gụnyere àjà ikpéọmụma, ụfọdụ nime àjà mmehie (n'ebe anaewebaghị ọbara ya n'Ebe Nsọ ahụ wee debe ya n'ebe ịchụàjà nke ọlaedo), àjà udo, mkpụrụ mbụ anaeweta n'oge ememe nke izù, achịcha náekoghị ekò, na mmanụ olive (Levitikọs 6:25, 26, 30; 7:1-10, 31-34; 14:10, 24; 23:10, 17, 19, 20; 24:5-9).

Ihe ndịa ka ndị èzínaụlọ nke ndịnchụàjà gaeji jee n'ebe ọ bụla dị ọcha n'ọmụma ụlọikwuu wee rie ha; àjà mbuli na àjà òfùfè, akụkụ arụ dị icheiche nke ebulu ndị Nazarait, anụụlọ ọ bụla meghere akpà nwa, mkpụrụ mbụ niile nke ala (Ọnu-ọgugu 6:17, 20; 18:11-19).

Ụfọdụ onyinye bụ nke dịrị náání ibindụ na Kenean, anaewetakwara ya ndị ahụ arọpụtaworo iche nye Chineke dịka ntụzi aka Ya si dị: àjà mbuli nke mkpụrụ mbụ niile nke owuweiheubi, otú ụzọnaụzọiri nke ihe ha niile, ogbe achịcha nke utúọkà mbụ ha, ihe mbụ nke ajị igwe ewu na atụrụ; na kwa obodo ụfọdụ na ala ụfọdụ nke ihenweta ha ịbụ ebe obibi (Ọnu-ọgugu 15:20; 18:12, 28; 35:1-34; Deuteronomi 18:4; Levitikọs 22:17-25).

Tụkwasị àjà niile ndịa ihe ndịọzọ ka agụpụtara dịrị ndịnchụàjà na èzínaụlọ ha, maọbụ ndị Livai na èzínaụlọ ha, dịka àtụ̀mààtụ̀ Chineke tụrụ si dị. Ihe ndịa ka anaenye iji gboo mkpà ha, ha gaeji kwa ha mee ihe masịrị ha dịka agaasị na ọ bụ ha onweha lụpụtara ha maọbụ ji nwayọ zụpụta ụmụanụ ahụ. Ha nwekwara ike iji ha jee ebe ọ bụla ha nọ: onyinye dị icheiche nke anụ egburuegbu, ego mgbapụta ewetara iji gbapụta ụmụ eburu ụzọ mụọ n'Israel (Ndị ọnọdụ ha na mbụ bụ ifè Chineke òfùfè ma ha bụ ndị Livai gbanweworo), nwaatụrụ ahụ nọchịrị anya anụ náadịghị ọcha, ihe ụfọdụ ana agbarakwaghị, ihe enyeworo Chineke, -- otù nime ha bụ akpụkpọ nke àjà nsureọkụ̀ echèrè n'àjà nke ụtụtụ maọbụ na nke anyasị, maọbụ àjà nsureọkụ̀ ọzọ anaeweta maka àjà pụrụ́ iche maọbụ oge akàrà àkà -- na ego mkwụghachị mgbe anaapụghị ịchọpụta ndị ahụ emejọworo (Ọpupu 34:20; Levitikọs 7:8; Ọnu-ọgugu 5:8; 18:15-19; Deuteronomi 18:3-5). Adịghị enye ndị nchụàjà anụ nke àjà nsureọkụ ahụ n'ihi na ọkụ naeripịa ha niile n'ebe ịchụàjà.

Chineke kwuruokwu banyere iwu niile ndịa O nyere Ụmụ Israel n'aka, nke idebe ha gaeweta ọñụ, ezi ndị na kwa nchebe nke mba ha niile na nke mmadụ niile n'otù, n'otù, ụzọ ahụ nke Ọ gaesi kwue banyere ọgbụgbandụ. N'ezie, Ya na ha gbara ndụ ewee kpọọ ya "Ọgbụgbandụ nke nnú." Akpaalaokwu a sitere n'ihe anyị matara nkeọma banyere nnú na ọ naeme ka iheoriri ghara imebiemebi, nke ka nke ihe dịka anụ, ka ha ghara ire urè. Ya mere "ọgbugba-ndu nke nnú" bụ nke náagaghị agbanwe maọbụ gabiga maọlị kama aghaghị ichebe ya rue mgbe ebighịebi.

### Àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke N'ebe Anyị Nọ Taa

Ụbọchị niile nke alaeze Ụmụ Israel bụrụ anyị iheàtụ̀ n'ọtụtụ ụzọ n'ụbọchị taa. Anyị onweanyị aghaghị iweta àjà nke imemmụọ anyị na onyinye dị icheiche nke mkpụrụ mbụ bịakute Chineke wee nara ngọzi site n'aka Ya. Ma, aghaghị icheta, na ihe niile nke Oziọma chọrọ n'oge a adịghị ala karịa ụkpụrụ niile nke Iwu ahụ. Nrubeisi aghaghị iweta ngọzi dị ukwu ebe nnupụisi naakpata iwe na ikpé doro anya nke Chineke.

Ịkwụ otùụzọn’ụzọiri bụ ọlụ nsọ dịrị Ụmụ Israel niile na, dịka anyị hụwokwara, ọ bụ isi n’ihe niile eji elekọta ndị Livai na ndị nchụàjà. Ma ịkwụ otùụzọn’ụzọiri abụghị ihe bịara ọhụụ mgbe enyere Iwu, n’ihi na anyị gụtara na arọ̀ narị isii (600) tupu enye Iwu, Abraham debere ememe a: emesịa kwa Jekọb, soro. Ha náegosipụta site na omume ha na otùụzọn’ụzọiri bụrịị ụkpụrụ atọworo tupu oge nke ha.) Gụọ Ndị Hibru 7:1-6; Jenesis 28:22). N’ihi nke a, ịkwụ otùụzọn’ụzọiri, dịka ụkpụrụ nke idebe iwu nke omume ọma, abụghị ụkpụrụ atọrọ ntọala ya nye náánị ndị Ju kama ọ bụ kwa ihe ruru anyị n’ụbọchị taa. Pọl Onyeozi degaara ndị Kraist na Kọrint, “Kwa ubọchi mbu n’izu ụbọchi asa ka unu nile n’otù n’otù debe ihe n’ulo nākpado ya, otú ihe gara onye ọ bụla nke ọma” (I Ndị Kọrint 16:2). Ọ bụghị náánị na Jisọs kwagidere nwanyị ahụ di ya nwụrụ n’ihi na o nyere “Farthing” abụọ nke fọdụrụ ya kama O toro ya n’ihi nke a. Jisọs kwukwara ya na otùụzọn’ụzọiri dịrịị oge ugbu a mgbe Ọ baara ndị Odeakwụkwọ na ndị Farisii mba sị, “Ahuhu gādiri unu, ndi Ode-akwukwọ na ndi Farisii, ndi iru abua; n’ihi na unu nēnye otù uzọ n’uzọ iri nke nkpa-akwukwọ nēsi ìsì utọ na anise, na cummim, unu arapuwo kwa ihe ka arọ n’iwu, bu ikpé, na ebere, na okwukwe: ma ọ di nkpa ka unu me ihe ndia, ka unu ghara kwa irapu ihe ahu” (Matiu 23:23).

Ọ dị ngọzi dị ukwu bụ́ nke ekwere ná mkwà nye ndị niile gaerubere okwu Chineke isi. Ọ gwara anyị na Ya Onweya gaawụkwasị anyị ngọzi Ya nke anyị náagaghị enweike náagide, ma ọ bụrụ na anyị asọpụrụ Ya site n’irubeisi n’Okwu Ya banyere nke a. (Gụọ Malakai 3:8-10). Ọ sịkwara “Ọ bụru na unu matara ihe ndia ngọzi nādiri unu ma ọ buru na unu nēme ha.”

Ngọzi naadịrị ndị ahụ n’ezie, bụ ndị náedebe ọgbụgbandụ Chineke na kwa ndị náejéijè n’ụzọ Ya niile! Ngọzi naadịrị ha bụ́ ndị náeme uche Ya náarapụghị irubeisi n’Okwu Ya niile site n’idebe iberibe ya niile! Ngọzị naadịrị ndị ahụ bụ ndị náeji onwe ha chụọàjà n’ijéozi Ya ndị náatụkwasị Ya obi maka iheoriri ha nke ụbọchị na nlekota, ndị ike ha bụ ọñụ nke Jehova ndị ihe nketa ha bụ kwa náánị Onyenweanyị Onweya! Ọ dịghị ọñụ agaeji tụnyere nke ha, ọ dịghị kwa ojujuafọ nke gaara àká nke ahụ náesite n’ijéozi kwa ụbọchị nime ogige Ya!

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere o jiri náemetụ Chineke n’obi nke ukwuu banyere nlekọta nke ndị orù Ya?
2. Gịnị bụ ọlụ dịrị ndị nchụàjà?
3. Gịnị bụ nnọọ ọlụ enyere ndị Livai?
4. Kọwaa otú esi náelekọta ndị nchụàjà nke ka nke n’ihe
5. banyere iheoriri ha?
6. Òlee otú èzínaụlọ ndị nchụàjà si enweta iheoriri ha na ihe niile ọzọ náakpá ha?
7. Gịnị bụ nrọpụta ukwu nke dị na àtụ̀mààtụ̀ Chineke nke náahụ́ maka mkpà nke ndị Livai?
8. Gịnị ka ndị Livai náaghaghị inye ndị nchụàjà tupu ha ewee nwezue ihe niile náakpà ha onweha?
9. Kwue ụkpụrụ nke mgbapụta nke ụmụanụ náadịghị ọcha eburu ụzọ mụa.
10. Gịnị mere naaghaghị ịgbapụta ụmụ niile eburu ụzọ mụọ, onye kwa ka anaenye ego mgbapụta ahụ?
11. Òlee ọlụ dịrị ndị nke Kraist taa n’ilekọta ọlụ nke Chineke?